lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi



# Devid Onye-eze ahụ (Nkebi nke mbụ)

Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Lazarus
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Ruth Klassen

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Nwata nwoke ahụ bụ Devid nọ n’ọsọ.  Eze Sọl chọrọ igbu ya.  Devid wee biri n'ọzara, n'ọgbà-ukwu ahụ, ya na ndị na-eso ya dị narị ano.  Mgbe ụfọdụ, ọ ga-afọ ntakịrị ka ndị-agha Eze Sọl chọta ha.  Ma Devid nọgidere na-agawanye.



Doeg, bụ orù Sọl, gwara eze na ndị-nchụ-àjà enyerela Devid aka ka ọ gbapụ. Sọl nyere iwu ka e gbuo ha. Mana naanị Doeg dị njikere ime ya! O ji mma-agha ya gbuo ndị nchụ-àjà iri asatọ na ise na ezinụlọ ha n'ụzọ obi ọjọọ. Ọ dị njọ nke ukwuu.





Otu ụbọchị, Sọl nọ na-achụgharị Devid wee banye kpọmkwem n'ọgba ahụ Devid na ndị ikom ya zoro. Sọl nọ naanị ya!



N’ime ọgba ahụ, Devid gaara egbu Sọl ngwa ngwa. Kama ime nke a, ọ gara nso, were mma ya bepụ otu akụkụ uwe-mwụda ya.

Mgbe Sọl pụrụ, Devid wee kpọọ ya òkù. “N'ihi na m bepụrụ akụkụ nke uwe-mwụda gị, ma m egbughị gị, mara ma hụkwa na ọ dịghị ihe ọjọọ maọbụ nnupụisi dị n'aka m...”

Sọl kwuru na ọ na-ewute ya maka mgbalị o gbalịrị imerụ Devid ahụ.  Ma n’oge na-adịghị anya, iwe ya laghachiri, o wee chịkọta ndị-agha dị puku ndị ikom atọ ka ha jee gbuo Devid.  N’otu abalị, ka ndị-agha ahụ na-ehi ụra, Devid na Abishaị, bụ́ otu n’ime ndị-agha ya, banyere n’ụlọikwuu, bụ́ ebe Sọl dina na-ehi ura.





“Chineke enyefewo onye-iro gị n’aka gị taa,” ka Abishaị gwara ya. “Biko ka m were ube a gbuo ya ozugbo: m gaghị atụkwa ya nke ugbò abụọ.”



Devid jụrụ. O weere ube na ite-mmiri Sọl, si n'ebe ha mara ụlọ-ikwuu ahụ pụọ. Devid si n’ugwu dị n’akụkụ ụzọ tie mkpu ruo mgbe Sọl nụrụ ya. Sọl wee hụ ọzọ na Devid pụrụ igbu ya, ma o meghị nke a. Sọl kwukwara ọzọ na ya nwere mwute maka mgbalị ya imerụ Devid ahụ. Ma Devid maara na ya apụghị ịtụkwasị okwu Sọl obi.



N’oge a Samuel anwụọla.  Ọ bụ onye amụma Chineke gwara ya ka o buru ụzọ tee Sọl mmanụ, e mesịakwa tee Devid mmanụ ịbụ eze Izrel.  Mgbe ndị Filistia wakporo Izrel, Sọl mere ihe jọgburu onwe ya, bụ́ ihe Chineke machibidoro n’iwu.

O nyere otu nwaanyị iwu ka o si n’ala mmụọ kpọpụta Samuel.  N'abalị ahụ, Sọl nwetara ozi.



“... Jehova esiwo n'ebe ị nọ wezuga onwe ya, wee ghọọ onye-iro gị ... O napụwokwa gị ala-eze gị ma nye ya onye agbata-obi gị bụ Devid.  Echi, gị na ụmụ gị ndịkom niile ga-abịakwutekwa m.  Jehova ga-enyefekwa ndị-agha Izrel n’aka ndị Filistia.”  Mgbe Sọl nụrụ nke a, o wee daa n'ala n'oke egwu.



Ndị Filistia busoro ndị Izrel agha, ndịkom Izrel niile wee gbalaga.  Ndị Filistia gburu ụmụ Sọl, nke gụnyere Jọnatan, ezigbo enyi Devid.



Ndị na-agba ụta merụrụ Sọl ahụ nke ukwuu. Ọ siri onye na-ebu ihe-agha ya, Mịpụta mma-agha gị, were ya magbuo m, ka ndị ajọ-omume ndị a wee ghara ịbịa magbuo m, meekwa m ihe ọjọọ. Ma onye na-ebu ihe-agha ya ekweghị, n'ihi na ọ tụrụ egwu nke ukwu. Sọl wee were mma-agha dakwasị n’elu ya.





Mgbe ndị Filistia chọtara ozu Sọl na ụmụ ya, ha kụgidere ozu ahụ na mgbidi nke obodo Izrel e weghaara. Ụfọdụ ndị Izrel nwere obi ike napụtara ozu ndị ahụ, buru ha laa ma kpọọ ha ọkụ tupu ha lie ozu ndị ahụ n’Izrel.



Devid wee nụ ihe ahụ dị egwu, o rue újú, kwaa ákwá, bue ọnụ rue anyasị bayere Sọl, na n'ihi Jonatan nwa ya, na n'ihi ndị Jehova, n'ihi na ha adanyewo na mma-agha.



N’agbanyeghị na Sọl nwara igbu Devid, Devid sọpụụrụ Sọl dị ka onye Chineke tere mmanụ ruo ọgwụgwụ. Ma Chineke wee sọpụrụ Devid, mee ya eze n'ọnọdụ Sọl.

# Devid Onye-eze ahụ (Nkebi nke mbụ)

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

1 Samuel Isi nke iri abụọ na anọ rue
nke iri atọ na otu, 2 Samuel Isi nke mbụ
rue nke abụọ

"Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe."
Abuoma 119:130

# Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie.  Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi.  Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia!  O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi!  O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo.  Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi.  Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi.  Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile!  Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.